# OTÙ OZI NYE NDỊ NÁERITA MKPỤRỤOBI N'URÙ

**Ndi Rom 9:1-3; 10:1-21; 11:1-36.**

**IHEỌMỤMỤ 387**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Anamāgbara ha àmà na ha nānu ọkụ n'obi n'ebe Chineke nọ, ma ọ bugh dika nmazu si di. N'ihi na, ebe ha nāmagh ezi omume Chineke, nāchọ kwa ụzọ ime ka ezi omume nke aka ha guzo, ha edogh onwe-ha n'okpuru ezi omume Chineke" (Ndi Rom 10:2, 3).**

## I Ịnụọkụn'obi N'ihi Mkpụrụobi

1. Onyeozi ahụ nwere ọchịchọ ka azọpụta ndị Israel náagbanyeghị ihe ọ bụla ọ ga efu, Ndi Rom 9:1-3; Ọlu Ndi-ozi 20:31; 1 Ndi Kọrint 9:22.

2. Ekpesirị ekpere ike, Ndi Rom 10:1-3; Jeremaia 9:1; Luk 19:41, 42: Ọlu Ndi-ozi 4:23-31.

3. Ndị Israel enweghị ihengọpụ, Ndi Rom 10:19-21; Aisaia 65:12; Matiu 23:37, 38.

4. Ndị ka n'ọnụọgụgụ n'etiti ndị Israel kpuruìsì wee daa náenweghị okwukwe, Ndi Rom 11:7-14; Aisaia 6:10; 2 Ndi Kọrint 3:14-16; 4:3, 4.

## II Mkwusa Nke Ozioma Ahụ

1. Oziọma ahụ naenweta ndụ site n'okwukwe nime Kraist, Ndi Rom 10:4-10; Ndi Galetia 2:20; Ndi Filipai 3:9-11.

2. "Onye ọ bụla nke chọrọ" nwere ike ịbịa, Ndi Rom 10:11-13; Ọlu Ndi-ozi 10:34, 35, 43; I Jọn 5:1; Nkpughe 22:17.

3. Mkwusa dị mkpà nye ọgan'iru nke Oziọma ahụ, Ndi Rom 10:14-18; Matiu 24:14; Mak 16:15, 16; Luk 9:1, 2.

## III Nzọpụta Site N'okwukwe

1. Anyakụdoro ndị Mbaọzọ n'Ezi Osisi Vine ahụ site n'okwukwe, Ndi Rom 11:15-17, 24; Jọn 15:1-6; Ọlu Ndi-ozi 28:28; Ndi Efesọs 2:12-19.

2. Ewezugara ịnyaisi, Ndi Rom 11:18-22; Jọn 3:27; I Ndi Kọrint 4:7.

3. Ụbọchị ahụ naabịa mgbe agaazọpụta ndị Israel fọdụrụ, Ndi Rom 11:1-6, 23, 25-32; Zekaraia 13:6, 9; Ndi Hibru 8:8-12.

4. Apụghị ịchọpụta amamihe nke Chineke, Ndi Rom 11:33-36; Job 5:9; Aisaia 40:28; Ndi Hibru 4:13.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Siterị n'arọ niile nke akụkọ ụwa ndị mmadụ échèwo échìchè banyere ọlụ kachasị ịbaurù nke ha gaalụ. Nzube dị icheiche nke anaapụghị ịgụtaọnụ ka ndị mmadụ zubewooro onweha dịka ihe ikpeazụ nke kachasị mkpà maọbụ ọnọdụ kachasị elu nke ha náaghaghị iru mgbe ha naadị ndụ n'ụwa. Onye naedozi ego ewerewo amamihe ya nweta ma kesaa kwa àkụ̀; onyeọ̀kàokwu emewo ka obi igwe mmadụ ñụrịaọñụ site n'amamihe ya n'ịhazi mkpụrụokwu ma mepụta kwa ha n'ụzọ ha naadakọrịta nkeọma dịka abụ; ọbụabụ ọtụtụ oge emewo ka ụmụmmadụ nwee ndajụ na ịdịn'otù; ọzọ onyenaeseihe egosịwo iheọmụma ya site n'isepụta ihe n'elu ebe ọ na ese ihe ka mmadụ niile náekiri. Ma, náenweghị obiabụọ ọkpụkpọ na ọlụ kachasị elu nke pụrụ inye ọñụ ma jide kwa mpkụrụobi nke mmadụ bụ ọkpụkpọ̀òkù nke Chineke banyere irita ọtụtụ mkpụrụobi n'urù nye Alaeze nke Eluigwe. Ọ bụghị náánị na ọkpụkpọ̀òkù a pụrụ iche náenye ọñụ nke kachasị ọñụ niile n'ụwa ma aza ya, kama mkwà nke ụgwọọlụ ebighiebi kachasị dị kwa nime ya. "Ndị ahụ ndi nwere uche ganēnwu ọcha dika onwunwu ọcha nke mbaraigwe; ndi nēme ọra madu ka ha ghọ ndi ezi omume ganāmu kwa dika kpakpando rue mgbe nile ebigh-ebi" (Daniel 12:3).

**Ihe Kachasị Mkpà**

Pọl Onyeozi nwere ọhụ̀ banyere ihe a dị óké mkpà mgbe o chègharịrị, ngwangwa ọchịchọ nke ndụ ya niile wee bụrụ náánị irita mkpụrụobi nke mmadụ ibe ya n'urù nye Oziọma nke Jisọs Kraist. Onyenweanyị wee kuziere Onyeozi a, dika O kụzikwaara Ndịozi niile ọzọ, na ụzọ ịba n'Alaeze Eluigwe adịrighị náánị ndị Juu kama o ghereoghe nye mmadụ niile n'ebe dum bụ ndị gaéhègharị ma chigharị kwa site ná nmehie niile ha wee gbaso eziomume. Dịka onye Hibru, Pọl nwere mmetụta nke ịhụnanya dị ukwu n'ebe ndị obodo nke aka ya nọ, ma site n'obiebere dị ukwu o mere ihe niile ọ pụrụ ime iji nyere ndịJuu aka ịghọta ma nara kwa eziokwu nke Oziọma ahụ. Ịnụọkụn'obi ya riri nne nke uku nke mere ya ka o kwenye inye ndụ Ya na olileanya nke nzọpụta ya n'ihi ndị obodo ya. Akwụsịworị ụgwọ nke mgbapụta nke mmadụ, ọ dịghị kwa àjà ọzọ nke apụrụ ịchụ nke gaalụpụta ihe ọ bụla; ma chee échìchè banyere nzube nke nwoke a na ịdịukwu nke ịnụọkụn'obi ya! Ọ bụghị ihe ịtụn'anya na Pọl ghọrọ, ma eleghị anya,onye náerita mkpụrụobi n'urù nke lụkwara ọlụ a nkeọma karịsịa n'ogbọ nile nke NdiKraist.

**Ijiobichụọàjà**

Onye ọ bụla pụrụ ịbụ onye na erita mkpụrụobi n'urù, n'ihi na ọkpụkpọòkù nke Chineke dịrị onye ọ bụla nke gaaza; kama onye ahụ aghaghị ịdị na njikere dịka Pọl Onyeozi ịrapụ ihe ọ bụla maọbụ urù na iheụtọ niile nke ụwa. Iwu nke iji onweonye na ọchịchọ niile chụọàjà jupụtara ebe niile nime Baịbụl nye ndị ahụ niile náalụọlụ nke Chineke nkeọma. Onye ahụ nke naeché onweya "dika àjà di ndụ, di nsọ, nke di Chineke ezi ụtọ, nke bụ … ikpe-ekpere dika uche si di," bụ onye ahụ nke gaakpọta ndị ọzọ nye Chineke na Oziọma ahụ. Ụgwọọlụ ya dị ukwu. "Jisọs siri, n'ezie asim unu, ọ digh onye ọ bula nke rapuru ulọ, ma-ọbu nna, ma-ọbu umu, ma-ọbu ubi, n'ihim, na n'ihi ozi-ọma nkem, ma ọbụgh na ọ ganata ọgụ ise ọgụ ise ugbu a n'oge a, ulọ, na umu nne-ndikom, na umu-nne-ndinyom, na nne, na umu, na ubi, ha na nsogbu; ọ ganata kwa ndu ebigh-ebi n'oge nke nābịa" (Mak 10:29, 30).

Ọ dịghị ihe Chineke na-asọpụrụ nke ukwu dịka ndụ dị nsọ, nke eji kwa chụọàjà ọ dịghị ihe dị mkpà dịka ya n'ítóètò nke nnwapụta nke OnyeKraist, ọzọ ọ dịghị ihe nke pụrụ iwedata ike ijéozi dịka ijiobichụọàjà. Chee échìchè banyere ijiobichụọàjà nke Moses, onye, dịka Onyeozi ahụ, nyebigara onweya ókè n'òkù ahụ akpọrọ ya nke mere na ọdịmma nke ndị Israel dị ya mkpà karịa ndụya. N'iche échìchè banyere ndịkom abụọ ndịa pụrụ iche nke Chineke na ijiobichụọàjà dị icheiche nke ha mere n'ihi ịnụọkụn'obi ha maka irita mpkụrụobi n'urù, anyi agaghị échéfu iche échìchè banyere Onye ahụ nke karịrị Moses maọbụ Pọl ukwu bụ Onye ahụ nke nwụrụ ka ewee gbaghara mmehie. Jisọs bụ ihenlereanya zuruòkè anyị n'ebe ijiobichụọàjà na nrubeisi zuruòkè n'ime uche Chineke dị. Ọ ga elepụworị anya n'iru hụ ọñụ nke mkpụrụobi ndị ahụ furuefu bụ ndị agaazọpụta, site nándụ Ya na ọnwụ Ya maọbụ Ọ gaelepụworị anya n'iru hụ ebube ahụ nke ịnọdụ n'akanri nke Nna; maọbụ na O lepụwo anya n'iru hụ ọñụ dị icheiche nke igwe; ma ọ dị ka ọchịchọ nke obi ya niile bụ ime uche nke Nna Ya. Nwoke maọbụ nwanyị ọ bụla nke sitere n'ijiobichụọàjà nwee ike iru ọnọdụ nke ibindụ otú a, n'ezie aghaghị ịbụ onye naeritara Chineke mkụrụobi n'urù.

**Ekpere**

Mgbe o gosịchara otú mmetụta nke o nwere n'ebe ndị Israel nọ si dị omimi na otú o si were onweya chụọàjà n'afọòfùfò ka o wee rita nzọpụta ha n'urù, Pọl gbasokwara nzọụkwụ ọzọ nke eji mara OnyeKraist ọ bụla nke ikpeekpere n'ihi ndị obodo ya ndị anaazọpụtabeghị. Obi nke ezi OnyeKraist ọ bụla kwesịrị ịnwe mmetụta banyere otù ụdị omume a. Chineke chọrọ ka ụmụYa bụrụ òtù ndịnchụàjà dị nsọ, ka ekpere ha wee náarịgo n'Eluigwe n'ihi ụwa náanwụanwụ.Ọ chọrọ ndi na-arịọrọ ndi ọzọ arịrịọ n'Ocheeze nke Chineke ịchụghachi ike nke mmehie azụ n'ụwa taa ma napụta kwa ọtụtụ mkpụrụobi. Ndị nke Chineke aghaghị ịnọgidesiike n'ekpere ma ọ bụrụ na agaanapụta ọtụtụ mkpụrụobi site n'ike nke onyeiro ahụ.

Ọ bụrụ na amụọ mmadụ ọzọ, ekpere ya naabụ ihe dị ókéọnụahịa.Lee otú ọ gaabụ ihe dị ókéọnụahịa karịa mgbe edoro ya nsọ! Ọ bụ mgbe ahụ ka mmadụ naabụ onyenchụàjà nke Chineke dị ndụ, ọ naabụ onye ekewapụworo site n'ebe onweonye na ọchịchọ nke aka ya dị nke mere na ọ pụrụ ịga n'iru Chineke wee náarịọarịrịọ n'ihi ụwa nke náala n'iyi.

Jisọs kwara ákwá n'ịhụnaanya dịnrò na ebere n'ihi ndị furuefu, n'ụbọchị taa Mmụọ na eme kwa ka mmadụ nwee mmetụta n'ọ̀tụ̀tụ̀ n'ihi ndị furuefu dịka O nwere. Ka mmadụ naejupụta na Mmụọ Nsọ karịa, ka onye ahụ naeyi kwa Jisọs karịa. Anaechefu ihe ụtọ nke onweonye, onye ahụ náeso kwa Ya náenwekọ ihe náahụhụ Ya na n'ekpere ma náalụ kwa ọlụ n'ihi ọtụtụ mkpụrụobi. Ọñụ kachasị ọñụ niile nke ezi OnyeKraist naenwe bụ ịhụ ka anaakpọta onyemmehie n'ụkwụ Jisọs.

Onye ọ bụla nke nwere obi dị ọcha na akọnauche dị ọcha pụrụ ma kwesị kwa ikpeekpere. O nwere ike ịbụ n'okporoụzọ nime ụgbọala, n'oche ebe ọ naalụọlụ maọbụ nime ụlọọlụ; obi ahụ pụrụ ikupu ekpere dịka ume nye Chineke, ihe náesiísíụtọ (incense) nke otuto pụkwara isi n'obi ya náarịgo. Chineke onweYa gaezute obi ahụ mgbe ebuliri ya elu n'ekpere n'iru Ya n'ihi nzọpụta nke ọtụtụ mkpụrụobi furuefu. Ka ịnụọkụ a nke

Mmụọ na ịgbamgba n'iru Ocheeze nke Amara gbasaa tutu rue mgbe iru Chineke nke náadị ebighịebi gaarịdata, obi niile kwa n'ebe dum ewee tikue Chineke mkpu n'óké mwute n'ihi ebere mgbe apụrụ ịchọta ebere!

**Mkpọsa**

Mgbe o jiworo obi ya chụbiga aja òké ma kpee kwa ekpere, nwa Chineke ahụ ejikerewo ịbà n'akụkụ ọlụ dị ebube karịsịa akụkụ ọlụ niile -- nke ahụ bụ iwere oziọma nke nzọpụta rue mkpụrụobi nke ụmụmmadụ. Nzọpụta nke Chineke dịrị nwoke ọ bụla, nwanyị ọ bụla na nwatakịrị ọ bụla, ya mere ebe onye ahụ náerita mkpụrụobi n'urù gaalụọlụ enweghị nsọtụ. Nzube nke Chineke bụ ka ndị ahụ niile azọpụtara kọọakụkọ nke mgbapụta nke Oziọma ahụ nye ndị ahụ niile anaazọpụtabeghị. Ikwusa Oziọma ahụ n'ụzọ dị otú a dị mkpà nke ukwu nke mere Baịbụl ji kwue sị: "Hà gēsi aña nu ma onye nēkwusa anọghị?"

Mmadụ dịka ihe anaahụanya si dị naechè na onyemkwusa bụ náánị onye ahụ nke náeguzo n'elu ebe ahụ anaekwusa okwu Chineke [pulpit] naekwuokwu Chineke, ma nkọwa ya karịrị nke a n'obosara. Nime nkọwa dị icheiche nke akwụkwọnkọwa – okwu (dictionary) ji kọwaa "nkwusa" bụ "ịkpọsa," izisa, ịkọsa n'etiti ọra"; nke náemeghepụ ụzọ nke ijéozi nye ndị niile agbapụtara. Okwu Chineke nke ekwuru n'elu ebe anaekwusaokwu Chineke (pulpit), site n'otitemmanụ na mkpali nke Mmụọ Nsọ, nwere ọnọdụ ya nke dị mkpà; ma nwoke ahụ maọbụ nwanyị ahụ nke náabụghị onye naekwusaokwu Chineke nke náagwa onyeagbataobi ya na onye ya na ya naalụkọọlụ, onye náere ihe, onye ọ bụla nke ọ maara nkeọma na onye ọ bụla nke bịaworo ya nso okwu Chineke, pụrụ isite n'ụzọ dị icheiche kpọtara Kraist mkpụrụobi bụ onye ma eleghịanya, ọ gaghị abịaru nso ebe ọ gaanụ olụ onyeozi ahụ ka ọ na-ekwu okwu Chineke. Okwu Chineke nke ekwuru nime ụlọnzukọ dịrị náánị ndị nọ n'akụkụ anọ nke ụlọ ahụ, ma ọtụtụ mmadụ adịghị abịa nzukọ ịnụ ya; ma ọlụ nke onye ahụ náabụghị onyemkwusa abụghị ihe emere ka ọ kwụsị n'otù ebe n'ụzọ ọ bụla. Akụkọ ya banyere ịhụn'anya nke Chineke, tinyere ndụ ọ naadị mgbe niile dịka Onye nke Kraist, pụrụ ịdọrọ onye ahụ nke náadịghị abata n'ebe anaefè òfufè.

Ọ bụghị ọlụ dịrị OnyeKraist ọ bụla ịrọrọ ma ọ gaekwupụta Kraist maọbụ na ọ gaghị ekwupụta Ya. Ọ bụ Onyenzọpụta ha ime nke a. Pọl kwuru sị "nkpà nākpam; n'ihi na ahuhu dirim, asị na ezisaghm oziọma" (I Ndi Kọrint 9:16). "Ayị onwe ayị apụghị ịghara ikwu ihe nile ayị huru nu kwa" (Ọlụ Ndi-ozi 4:20), bụ okwu ọzọ nke NdịKraist mgbe ochie kwuru iji gosị ọlụ dịrị OnyeKraist ọ bụla. "Buru-kwa-nu ndi edoziworo mgbe dum igọpuru onye ọ bụla nke nāju unu ajuju banyere olile-anya ahu nke di nime unu, ma ka unu were nwayọ na egwù gọpụ" (Pita 3:15). "Ndi ahụ we merie ya (ekwensu ahụ) n'ihi ọbara Nwa-aturu ahu, n'ihi okwu àmà-ha; ha ahụgh kwa ndu ha n'anya rue ọnwụ" (Nkpughe 12:11). Ndịa bụ okwu olenaole nke si na Baịbụl nke náegosị mkpà ọ dị ka Ndị nke Kraist náekwusa ihe ebube dị icheiche nke Chineke na Ozioma ahụ mewooro ha. Ọ bụ ụzọ Chineke si eme ka anụzue Oziọma ahụ n'ebe niile ụwa sọtụrụ.

**"Ọ b'rụ n'ị kpọta onye nọ nso ị ,**
**M'wee kpọt'onye nọ n'akụkụm,**
**N'oge ntà ay'ga-enwe ha nile,**
**Ya mere kpọta ha, n'otù n'otù."**

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1 Gịnị mere Pọl ji bụrụ onye náerita mkpụrụobi n'urù nke pụtara ìhè?

2 Òlee ụzọ ihe atọ dị mkpà ná ndụ Onye nke Kraist n'irita mkpụrụobi n'urù?

3 Òlee ndị agụnyere n'àtụmàátụ nke Chineke banyere nzọpụta?

4 Gịnị ka mmadụ n'aghaghị ime ka ewee zọpụta ya?

5 Òlee ihe o ji dị mpkà nke ukwu na Ndị Kraist gaagba àmà ma kọọ kwa akụkọ nke Oziọma ahụ.

6 Òlee otú mmadụ gaesi nweta okwukwe?

7 Gịnị mere eji nyakapụ ndịJuu ụfọdụ site n'osisi olive nke Onyenweanyị?

8 Òlee ndị weere ọnọdụ nke ndịJuu n'osisi Olive nke Onyenweanyị? N'ụzọ dị añaa?

9 Òlee mgbe ndị Israel gaalọghachị kwa inweta iruọma nke Chineke?